Mmetụta Ngwakọ Asụsụ Epum na Asụsụ Bekee n'ịkụzi Sọm n'Ụlọakwụkwọ Praịmarị dị n'Okpuru Ọchịchị Ezeagụ, Steeti Enugwu

Ebubechineke Ifeyinwa Benedette
Arts Education, Faculty of Education, UNN
ifeyinwa.ebubechineke@unn.edu.ng
08134384482

Ụmị

Isiokwu nchọcha a bụ Mmetụta Ngwakọ Asụsụ Epum na Asụsụ Bekee n'ịkụzi Sọm n'ụlọ akwụkwọ Praịmarị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ dị na Steeti Enugwu. Sọm bụ sọbjekt ụmụ akwụkwọ ma ndị nọ n'ụlọ akwụkwọ nta, sekọndịrị nakwa Mahadum kpọrọ asị nke ukwuu. A maghị ihe kpatara ya. Ndị nkụzi tụrụ alo ka ha lebanye anya n'usoro nka e ji akụzi ya. N'ihi ya, ha tulere iji nka asụsụ abụọ (ya bụ asụsụ Bekee atapịara n'asụsụ epum) wee kụziere ha Sọm ịmata ma ọ ga-enyere aka ka ụmụaka ghọta Sọm ndị nkụzi na-akụzi nke ọma. Ndị e ji mee nchọcha a bụ ụmụaka praịmarị nke anọ (4) dị nari abụọ (200) ndị ọchọcha seere n'ime ụmụaka praịmarị niile dị puku iri, narị ise na ise (10,505) sitere n'ụlọ akwụkwọ dị iri asatọ na anọ (84) nọ n'okpuru ọchịchị ahụ. O sekwaara ndị nkụzi dị iri abụọ ndị sitere n'ụlọ akwụkwọ dị iri abụọ kwa, ka ha bụrụ ndị nọchiteanya ndị ọzọ e jighi mee nchọcha. Ụdị nchọcha e ji mee nchọcha a bụ sọvee nkọwa. Ọchọcha jikwa usoro nsere nke nhọ na nha tụmbọm tụmbọm. Ngwa nchọcha ọchọcha ji mee nchọcha a bụ Tịcha divayisid Teknik nke a kpọrọ Njụmaza Mmetụta Ngwakọ Asụsụ n'ịkụzi Sọm n'ụlọ akwụkwọ Praịmarị (NMNANISUP) nke e jiri firikwensị na pesenti tụcha ma haziekwa.Ọchọcha chọpụtara na ịgwakọ asụsụ epum na asụsụ Bekee iji kụzie Sọm bụ ụzọ ndị nkụzi tụpụtaara onwe ha iji nyere ụmụ akwụkwọ aka ka ha mụta ma ghọtakwa sọm na sọbjekt ndị ọzọ a na-akụziri ha, nke a nyekwaara ha aka ịmụta sọm. Ọchọcha chọpụtakwara na ụdị nka nkụzi a doro ha ahụ ma dookwa ha anya nke na ha sonyere n'ihe niile a kụziere ha na sọm. Nchọcha a zipụtara na iji asụsụ epum na asụsụ Bekee agwakọrọ ọnụ dabara na nka nkụzi n'ịkụzi sọm nakwa sọbjekt ndị ọzọ na praịmarị n'ihi na ọ na-edo ha anya ma wepụrụ ha ahụ mgbakasị.

Ọkpụrụkpụ okwu - Mmetụta, Asụsụ epum, Asụsụ Bekee, Nkụzi, Sọm,Ngwakọ

Mkpọlite

Ntọala nchọcha

Asụsụ bara uru na nkụzi na ọmụmụ ihe ọ bụla n'ụwa niile gbaa gburu gburu. Ọ bụ ihe bara oke uru na ndụ mmadụ ma bụrụkwa akarangwa kewapụrụ mmadụ na anụmanụ. Asụsụ dị oke mkpa n'ihi na mmadụ na-eji ya ezipụta njirimara ya, kwupụta ihe na-eme na ndịugbu a, kwụkọrịta okwu, kọwaa onwe ya nakwa chọpụta ihe na-eme na gburugburu ya. Ọ bụ asụsụ ji igodo mmepe echiche na ọgịga n'ihu nkụzi na ọmụmụ ihe. Ya bụ na o kwesiri ka a mụọ ya bụ asụsụ nke ọma dị ka (Nnachi, 2018) kwupụtara. Ọ kọwara asụsụ dị ka ọkaa usoro maka nkwukọrịta okwu, ebe ọ bụ site n'asụsụ ka mmadụ ji enyefe amamihe na nka. A matara asụsụ dị ka mgbamonwe dị oke mkpa banyere nkụzi na ọmụmụ, nke na e wezuga ya, ihe ndị ọzọ niile banyere mmụta agaghị enwe isi.

Asụsụ nkụzi gbasara nkụzi na ọmụmụ asụsụ. Ebumnuche ya bụ ịkwadobe ụmụaka maka ọmụmụ asụsụ na isitekwa n'asụsụ mụọ ihe ndị ọzọ. Asụsụ nkụzi bara oke uru nye ndị nkụzi, ụmụ akwụkwọ nakwa ọhanaeze. Ọ dị oke mkpa nye nkụzi na ọmụmụ n'ihi na ọ bụ site na ya ka e ji amụta sọbjekt ndị ọzọ nọ na kọrịkulum, malite na klasị Ọtaakara ruo Mahadum.

Ọ bụ asụsụ nne ka a na-akpọ asụsụ epum. Ọ bụ asụsụ mbụ nke nwata mụtara ịsụ oge ọ ka pere mpe. Asụsụ nne bụ asụsụ mbụ nwatakịrị nwetara na-akpachaghị anya tinye mgbalị ọ bụla na ya dị ka Mba (2012) kọwara. Ọ bụ asụsụ nwata na-anọ n'apata ụkwụ nne ya amụta. Asụsụ epum na-ewulite echiche nwata, hazie ahụmihe na akọwapụtakwa onwe ya n'ụzọ dị iche iche. E jikwa ya akparịta ụka n'ezi na ụlọ nakwa na gburugburu mmadụ, nke ndị nne na nna na-enyefe n'aka ụmụ ha. Ọ bụkwa asụsụ nwata ji amụta ọdịnaala, nsọpụrụ, amamihe dị ka ọ dị n'omenaala ha. Ọ bụkwa otu ụzọ nke ndị si n'otu agbụrụ si na-egosipụta onwe ha na ọpụrụiche ha nye ndị obodo ọzọ (Nwigwe, 2017). Ọ bụ site n'asụsụ ka nka anọ ndị a bụ nke ọnụnụ, okwukwu, ọgụgụ na odide dabeere. UNESCO (2003) hụtakwara asụsụ dị ka asụsụ nwata na-ebu ụzọ amụta ma marakwa ka e si asụ ya nke ọma. Nghọta mbụ nwatakịrị nwere banyere ụwa ọ nọ n'ime ya na gburugburu ya, bụ site n'enyemaka asụsụ epum (Aboderin, 2012).

Olaoye (2013) kọwara na asụsụ epum na-arụ ọrụ mmekọrịta na ndụ nwata mgbe ọ na-eto eto. Nwata na-eji asụsụ epum ya na nne, nna, ụmụnne, agbataobi, ikwu

na ibe, ndị klasị, ya na ndị nkụzi nakwa ndị ọzọ o zutere ekwukọrịta okwu. Mgbe ya na ndị ya ji otu asụsụ ekwukọrịta okwu, ọ na-amụtakwa ihe ọsọ ọsọ. Amamihe ya na-abawanyekwa n'ụba. Ọ na-amakwa ụkpụrụ a na-agbaso asụ asụsụ na gburu gburu ya tinyekwara ntaramaahụhụ dịịrị mmadụ mgbe onye ahụ dara iwu na-achịkwa asụm asụsụ. Nwata dị otu a na-eji nghọta na amamihe epum were eto, ka omume ya dabaa n'ụkpụrụ ọhanaeze tụrụ dị ka nkamma ụzọ e si akpa agwa nakwa ezi omume ndị ọzọ nke ga-eme ka ọ bụrụ ezigbo nwaamala were agwa, agba, kwesiri ezi ntụkwasịobi, ma bụrụkwa onye a zụrụ nke ọma, bụrụkwa nwata jụrụ nkịrịnka agwa dịka umengwụ, oke akpịrị, anya ukwu, mpụ na aghụghọ ajụ. Nke a ga-eme ya ka o nwee ezigbo akparamaagwa nke ga-enyere obodo aka n'ito eto ma nwekwa ezi mmepe anya nyekwa ya onwe ya.

Site n'asụsụ epum, nwata na-enwe mmụta tọrọ atọ. Ụmụaka ndị e jighị asụsụ epum akụziri ihe n'ụlọ akwụkwọ na-enwe oke ngharipụ (UNESCO, 2013) nke na-eme ka ha sị n'ụlọ akwụkwọ dachapụ ma ọ bụkwanụ ha adaa n'ihi e nweghi nghọta maka mkpụrụokwu ụfọdụ tara ha akpụ na nghọta. Mackenzie na Walter (2018) mere ka amata na ụmụ akwụkwọ ejighi asụsụ epum nke ha na-asụ n'ụlọ akụziri ihe na-akacha enwe nsogbu n'ịmụta ihe.Ụmụaka dị otu a na-enwe nsogbu ighọta asụsụ e ji akụzi ihe nakwa ighọta isiokwu ihe a na-akụzi maka ya.Ihe dị otu a na-ebutere ụmụaka ọdịda akwụkwọ ya na ngụgharị klasị. Dị ka UNESCO (2008) kwuru sị, 'a bịa na mba ụwa, na ihe dị ka ụmụaka ọnụọgụ ha dị n'agbata nde iri ise ruo nde iri asaa na ise (50,000,000-75,000,000) bụ ndị e jighi asụsụ ha eme nkụzi anaghị aga akwụkwọ. Ọtụtụ ndị nchọcha chọpụtara na asụsụ epum bụ ọkacha asụsụ maka agụede nakwa ọmụmụ ihe n'ụlọ akwụkwọ praịmarị. Fafunwa (1983) mere nchọcha n'Ile Ife banyere iji asụsụ epum kụzie nkụzi na ya. Nchọcha a weere ya afọ isii. Ọ chọpụtara na ụmụaka ndị e jiri asụsụ epum ha bụ 'Yoruba' kụziere ihe mere nke ọma karịa ndị otu e jiri naanị asụsụ bekee kụziere ihe. N'okwu ya, ọ sịrị na nwata na-amụta ihe nke ọma n'asụsụ nne ya n'ihi na asụsụ nne ya dịịrị ya ka ara Okike kere (Fafunwa, 1983). Ebe nchọcha Fafunwa kwadoro iji asụsụ nne kụziere ụmụaka praịmarị ihe n'ụlọ akwụkwọ, ọ bụ ihe ịgba gharịị ịhụ na agbanyeghi nnukwu uru nwata na-erite n'iji asụsụ nne amụ ihe, ọtụtụ ụlọ akwụkwọ praịmarị ka na-ejikwa asụsụ bekee na-akụzị ihe ruo ma taa.

Asụsụ Bekee bụ asụsụ ndị mbịara chịwa, nke a nabatara na mbaụwa niile nakwa n'ihe niile metụtara ebimndụ. Asụsụ Bekee e nwerela ọnọdụ dị elu n'etiti asụsụ

niile a na-asụ n'ala Naịjịrịa. E nyere ya ọnọdụ dị oke elu n'ihi na ọ bụ asụsụ e ji akụzị ihe, azụ ahịa, achị ọchịchị, eji emebe iwu, mmụta wdg. Asụsụ bekee bụ asụsụ mmụta nke e ji akụzi ihe n'ụlọ akwụkwọ malite n'Ọtaakara ruo Mahadum n'ụlọ akwụkwọ niile ugbu a. Mana ọ bụghị ihe atụmatụ NPE kwuru. NPE (2014) kwuru na asụsụ nkụzị malite n'Ọtaakara ruo praịmarị nta ga-abụ asụsụ nne, ebe a ga-eji asụsụ bekee na praịmarị ukwu ebe ndị nkụzi ga-amalite ilebanyere ụmụaka anya n'agụmagụ ọnụ dị ka gụngụgharị, abụ, ukwe, jingulu na ekpere. Na Polisi a, e kwukwara na gọvmentị ga-agba mbọ hụ na asụsụ nkụzi na praịmarị ga-abụrịrị asụsụ nne mana ọ bụ ihe mwute na ọtụtụ ụlọ akwụkwọ praịmarị, ọ bụladị ma ndị Ọtaakara bụ asụsụ bekee ka e ji akụzi ihe ma na-ekwukọrịtara ha okwu, ma ha aghọtara ya ma ha aghọtaghị. N'ezie ọtụtụ ụlọ akwụkwọ dị otu a e nweghi mmasị iji asụsụ nne kụziere ụmuaka ihe na kọrịkulum ha. Ụlọ akwụkwọ ndị a kwenyere na ọ bụrụ na ha e jiri asụsụ bekee na-akụziri ụmụ akwụkwọ ihe, na ọ ga-enye ha ezigbo ntọala n'iji asụsụ bekee kwukọrịta okwu. Nke a ga-enyere nkwuwerewere ha aka nke ọma na-enweghi ihe mgbochi n'olu ha dị ka Ademowo (2016) kwuru. Adetuyi na Jegede (2016) chọpụtakwara na a tụrụ anya ka asụsụ nne bụrụ asụsụ nkụzị nye sọbjekt niile ma ewepụ asụsụ bekee malite na klasị Ọtaakara ruo praịmarị nta (1-3), malitezie na klasị nke 4-6 e jirizie asụsụ Bekee kụziweziere ha ihe. Ha sịkwara na ọ bụ n'ogo a ka aga-akụziwere ha asụsụ nne dịka Asụsụ nke abụọ (A2). Pọlịsị a tụrụ anya na n'oge ngafe a, isi n'asụsụ nne banye n'asụsụ bekee ebe asụsụ abụọ ndị a ga-agwakọ ọnụ na ndị nkụzị ga-eji asụsụ abụọ ndị a na-akụziri ụmụaka ihe.

N'oge ugbu a, mmadụ bi n'ụwa ebe onye ọ bụla na-asụ opekata mpe asụsụ abụọ-ya bụ asụsụ Bekee na asụsụ epum. Ha abụọ na-agakọnụ n'otu oge mgbe a na-akpa nkata. Nke a pụtara na ndị Naijịrịa nwere omenaala abụọ na-agakọrịta ọnụ otu oge. Mana oke nnabata, ugwu, na ogo dị elu e nyere asụsụ Bekee bụ oke ihe mmekpa ahụ nye asụsụ epum. Na nsinokwu ogbe ọ bụla, ebe a na-eji asụsụ abụọ, a ga-enweriri ngwakọ asụsụ ruo n'ihe ọ bụla a na-eme kwa ụbọchị. Ọ bụ site n'asụsụ Bekee ka a na-amafenye n'asụsụ 'ọmụụ' bụ asụsụ epum iji chọnye 'ọmụụ' ihe ndị bụ mkpa ya. Ụdị usoro a dị ka Adetuyi (2012) kọwara hapụrụ ụmụaka ka ha nwere asụsụ nne ha nwa obere oge. E jikwanụ asụsụ epum ha na-akụziri ha ihe ganye na ha amụta ya nke ọma rukwa oge ịgafe n'asụsụ mbịara chịwa, nke ga-abụ asụsụ ọhụụ a ga-eji na-akụzi ma na-amụkwa ihe ọmụmụ. Adetuyi (2015) chọpụtara na mgbe nwata ọ bụla matara asụsụ, ntọala agụede na agụmọnụ

n'asụsụ nne, ọ ga-enwe ike inyefe mmụta ndị a were were n'asụsụ A2 nke ọ mụtara. Mana usoro ọmụmụ a nwere ihe ndọchiazụ nke bụ nsogbu enyeghi nnukwu ohere iji were mata nke ọma asụsụ abụọ ndị a. Pọlịsị Asụsụ Naịjịrịa maka mmụta tụrụ anya mpụta ya n'oge n'ihi na iji asụsụ nne na-akwụsị n'afọ asatọ ma ọ bụ na praịmarị nke atọ. Ọ bụ ya ka Akinnaso (1993) ghọtara wee sị, otu o sila dị, na nchọcha a gosiri na ụmuaka nọ n'agbata afọ 9-12 na-enwe mmata ọganihu agụmakwụkwọ ọsọ ọsọ nakwa agụede, n'asụsụ nne na n'A2 karịa ụmụaka ndị nọ n'agbata afọ 5-8. Ya mere, Jegede (2012) na-atụ aro sị, na oge kacha mkpa na ndụ nwatakịrị bụ oge ngafe a o ji amụta agụede bụrụ ihe a ga-etinyekwu ohere nye ndị nọ n'agbata afọ 9-12 mgbe ha ga-amụtakwu asụsụ nne nke ọma. Ọ gakwara n'ihu chọpụta na ụmụaka kwesiri ịmụ asụsụ epum ruo afọ 12 tupu ha agafe n'ọmụmụ A2. N'oge a kwa, dị ka Jegede kwuru, ụmụaka ga-amatalarị ọtụtụ okwu nkọwa dị n'asụsụ na amamihe n'usoro eji akụzi A2. N'ihi nke a, Chomsky (1972) rụtụrụ aka na Ngwa Mmata Asụsụ (LAD) kwuru na ọ dị oke mkpa na nwata kwesiri ka ọ mụọ asụsụ nne nke bụ A1 nke a mụnyere ya n'ime ya. Mgbe nwata matara A1 were ya na-amụ A2, ọ na-adị ka nwata ahụ anaghị eto eto na nka ọmụmụ asụsụ nne ma ọ bụrụ na ọ mụghị ya nke ọma. Ọ bụladị nke ọ mụtatụrụ ọ ga-echefu ha. N'ihi ya, Jegede (2012) kwuru uche ya sị na ebe ọ bụ na ọ na-ewe nwata ihe dị ka afọ iri na abụọ mgbe asụsụ nne ga-agba mgbọrọgwụ hienne n'ime ya, tupu nwata ahụ etokwa na mma mmụta, na o kwesịrị ka ha gaa n'ihu n'ọmụmụ ihe n'asụsụ nne nke ga-ehiwe mmụta A1 n'ezigbo ntọala maka ọmụmụ A2.

Asụsụ ọ bụla nke anaghị agụ ma ọ bụ mụọ anaghị ahịa ahụ ọ nwụọ. Mana mgbe a na-amụ ya, ma na-akụzikwa ya, a ga-enweta ezi ọmụmụ asụsụ ọ bụla. Nkụzi na ọmụmụ bụ na klasị ka ọ na-enwere ọnọdụ. Nkụzi bụ ụzọ e si enweta ezigbo mgbanwe n'akparamagwa nke atụrụanya na nka ọmụmụ ihe ga-enye mmadụ. Ebumumuche ya bụ ka o nwee mmetụta n'ebe ọmụụ nọ iji mee ka ezigbo mgbanwe ahụ a tụrụ anya n'akparamagwa ha nyeaka n'ibi ezigbo ndụ (Owuamanam, 2016). Nkụzi na ọmụmụ e jiri asụsụ epum kụzie na-enye aka akpọlite nghọta nwata banyere okwu ụfọdụ tara akpụ dị na sọm. Ọ bụ site n'asụsụ ka o ji aghọta okwu tara akpụ ndị a ma chekwa echiche na ya. Na nchọcha Kyeyune (2003), Salami (2008), Adetuyi na Jegede (2016) banyere nkụzi sọm na klasị eji asụsụ abụọ akụzi ihe, gosiri na mmụta n'asụsụ epum na klasị ebe asụsụ abụọ dị na-arụ ọrụ na Naijịrịa. Ha chọpụtara na kama itinye n'ọrụ usoro e wepụtara maka asụsụ abụọ, mmụta agba ochie nke NPE ọkachamara na-atụ anya

ya, ha kpebiere onwe ha iwebata usoro asụsụ abụọ maka nkụzi na ọmụmụ. Ebumunuche ha bụ na iji asụsụ bekee n'ebe e nwere nkụzi n'asụsụ abụọ anaghị enyecha nke ọma ihe a chọrọ na mmụta asụsụ nne. Ọzọkwa bụ na ọ na-emekwa ka nwata ghara imekwa nke ọma n'ọmụma akwụkwọ. Ụmụaka angahị eme nke ọma na Sọm n'ihi okwu ụfọdụ ha amaghị mpụtara ha. Ọ bụrụ na iji asụsụ bekee na-enye ụmụaka nsogbu na nghọta na-akụzi Sọm, ọ bụ ihe ziri ezi na a ga-ejikwa asụsụ nke ha ga-aghọta tụrịsiere ha okwu ndị ahụ otu ha ga-esi aghọta ha. Ọ bụ n'ihi ya ka Setati (1998) na Salami (2008) ji kwado ka e jiri asụsụ epum bụ asụsụ mbụ nwata matara gwakọta ya na asụsụ bekee kụziere ha Sọm. E mee otu a ọ ga-enyere ụmụaka aka ịghọta ọsịsọ okwu ụfọdụ tara akpụ na nghọta.Ha ga-enwe mmasị nke ukwuu,jụọ ma zaakwa ajụjụ. Ha ga-enwe udo nke mmụọ, ahụmjumoyi,obi sara sara ma e jiri asụsụ epum akụziri ha ihe. Ya bụ na nchọcha ndị a niile kwenyesiri ike na asụsụ epum agwakọrọ ya na asụsụ Bekee so na nka nkụzi mara mma maka ọmụmụ na nkụzi Sọm. N'ihi ya, nchọcha a kwadoro nchọcha ndị mbụ mbụ, igosipụta na asụsụ nne agwakọrọ asụsụ bekee ga-enyere nwata aka ịmụta sọm n'ogo praịmarị nke anọ bụ ọppa praịmarị.

Nsogbu Nchọcha

Sọm so n'otu ihe ọmụmụ dị oke mkpa a na-amụ n'ụlọ akwụkwọ ugbu a malite n'Ọtakaakara ruo na Mahadum. Mana ka o siri dị, ịkụzi Sọm a nke ọma otu nwata ga-esi aghọta ya bụzi nsogbu. N'otu aka ahụkwa, ọmụmụ ya bụkwa nsogbu. Ọnọdụ ọjọ a dị na nkụzi na ọmụmụ Sọm bụrụ ihe hiwere isi n'esimike nghọta okwu ụfọdụ tara akpụ dị na Sọm. Nke a kpatara na ọtụtụ ụmụ akwụkwọ (ma ụmụntakịrị ma ndị okenye isiawọ) na-ahụta ya ka sọbjekt tara oke akpụ n'ọmụmụ. Ndị nkụzi n'aka nke ha na-emekwa ka nsogbu ha bawanye ụba site n'ajọ nkụzi. Esimike ọmụmụ na nkụzi Sọm bụkwa ozuru mba ọnụ mana agbanyeghi esimike nghọta ya, otu ihe kwere ewu na ọkụkọ nghọta banyere ya bụ na, ọ bụ eziokwu na nkụzi na ọmụmụ ya siri ike mana o so n'isi sekpụ ntị n'agụmakwụkwọ niile. Ọ dịghị kọọsụ ọ bụla nwata chọrọ ime n'ụlọ akwụkwọ dị elu nke Sọm agaghị abata ya, tụmadị nke metụtara sayensị. Ihe kpatara ya bụ na Sọm na-eme ka ụbụrụ na echiche mmadụ na-anụ ọkụ. Echiche na atụmaro onye mere Sọm na-akwụ gidigbam tinyekwuo ma ọ bụrụ na e ji asụsụ epum zulite ya. Ọ bụ sọbjekt dị oke mkpa na nwata ga-amata ma ọ chọrọ ya ma ọ chọghị tụmadị ọ bụrụ na ihụ akwụkwọ ya chere na sayensị.

Egwu na ahụ ọmajijiji na-ejidekarị ụmụ akwụkwọ oge ọ bụla o ruru ịmụ Sọm na klasị. N'ọnọdụ dị otu a, onyenkụzi na-abata ịkụzi ya anaghị enwe mmasị n'ihi na ụmụaka enwerela ihu mgbarụ chee onyenkụzi n'ihu nke ga-emekwa ka onyenkụzi jirikwa ahụ mgbakasị, obi ọjọọ, olu ike, ụtarị na ike ọkpọ n'isi na-akụzi. Ọ dịghị onye ga-aghọta ihe onyenkụzi dị etu a na-akụzi ma isiokwu ọ na-akụzi ọ dị mfe ma ọ tara akpụ, abụghị ihe ha chọrọ ịma. Sọm bụ Sọm. Ọ naghị enwe nke dị mfe n'ime ha. Ọ bụ n'ihi ya ka Bishop (1997) n'ime Rio & Roo (2011) kwuru okwu ndị a:

Ọ bụrụ na m agwa ndị mmadụ na m na-azụ ndị nkụzi maasị/sọm, ha ana-ele m anya ka m abụghị mmadụ. Ọ bụrụ na m asị na m na-enwe ọnụ na maasị/sọm, ha eche na m na-anyị ara. Ọzọkwa, ọ bụrụ na m asị na m ga-enyenwuru ha aka ka ha nwekwuo ọnụ, ha agaghị ekweta. Maasị/sọm bụụrụ onye nkiti ịta ahụhụ. Ọ bụ ihe na-ata mkpụrụobi ahụhụ nke bụ na ị ga-eche na ha ga-enwe mmasị ihu na e wepụrụ ya n'usoro agụmakwụkwọ n'ụlọ akwụkwọ mana ọ gaghị ekwe mee. Ha chee si na ọ dị oke mkpa na nwata akwụkwọ ọ bụla ga-amụrịrị ya, ma ọ bụrụgodu na ha enweghi mmasị na ya, n'ihi na ọ dịịrị ha oke mkpa (ihuakwụkwọ 1)

Ya bụ, dịka ndị ọkammụta nkụzi na ọmụmụ na ndị ọkaasụsụ, ọ dị oke mkpa na a gakwara n'ihu n'ịchọ ụzọ nchọpụta azịza nye nhịaahụ dị na nkụzi na ọmụmụ Sọm n'otu o siri metụta ogo ọ bụla banyere agụmakwụkwọ. Nke a bụ ụzọ iji kpochapụ na ọ bụladi sọbjekt siri oke ike na-ekweghi ka a mụọ. Iji tute ma wụlitekwa mmụọ na mmasị ha ihu Sọm n'anya, ndị ọkammụta asụsụ nakwa ọkammụta nkụzi na ọmụmụ kwesiri ịzụkọ kwekọrịta ma tụpụta ezi usoro nkụzi ka mma iji nyere ụmụaka aka ịmụta na ighọta sọm. Ọ bụ n'ihi nke a ka e jiri nabata na praịmarị iji bekee kụzie Sọm ma tapịa ya n'asụsụ epum nwata akwụkwọ iji mejụpụta ihe Pọlịsị kwuru banyere nkụzi na ọmụmụ n'ụlọ akwụkwọ praịmarị dị ka ọ dị n'iwu na-achịkwa agụmakwụkwọ na praịmarị. Na nchọcha ndị a, Setati (1998, 2002) kwuru na nkụzi Sọm na praịmarị ebe e nwere asụsụ abụọ kwenyere na ụmụaka anaghị eme nke ọma n'ihi enweghi nghọta maka okwu ndị ahụ tara ha akpụ na nghọta. Ndịnihe ọmụmụ ndị dị ka mwepu, mmụbawanye, okike, mgbakọ, dịnọminetọ, rediosu, sekọmfurense, wdg ndị nke a na-apụghị ịkọwata ma kụziekwa ha otu ha ga-esi ekwe nghọta na bekee. Ọ bụrụ na iji asụsụ Bekee dị ka asụsụ nkụzi na-ebute nsogbu n'ọmụmụ Sọm na klasị ngwakọta asụsụ, ọ pụtara na a ga-achọpụta ezi ụsa nye nsogbu nkụzi na ọmụmụ Sọm. Setati na Adler (2001),

Setati (1998) Salami (2008) na Adetuyi na Jegede (2016) kwadoro iji asụsụ epum ọmụụ bụ A1 gwakọ asụsụ Bekee ọnụ kụzie Sọm. Nchọcha ndị a gosipụtara asụsụ epum dịka ọmarịcha usoro nkụzi iji kụzie Sọm site n'ịtapịa asụsụ Bekee gaa n'asụsụ epum. Site n'ihe nchọpụta ndị a, nchọcha a gbasoro ụkpụrụ ndị nchọcha ndị a mereri iji gosi n'ezie n'ezie iji asụsụ Bekee na asụsụ epum akụzi Sọm na-enyere ụmụaka aka ịmatawanye ihe a na-akọ na ya nke metụtara ogo mmụta ọ bụla. N'ihi mperi a, iji asụsụ Bekee agwakọrọ ya na asụsụ epum kụzie Sọm n'ụlọ akwụkwọ praịmarị dị n'okpuru ọchịchị Ezeagụ nke dị na Steeti Enugwu aga-egbo nsogbu amaghị Sọm?

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta ụzọ dị iche iche a ga-esi jiri ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ Epum kụziere ụmụaka Sọm ka ha ghọta ma mụtakwa ya nke ọma.Nchọcha a ga-elebekwazị anya n'ihe ndị a:

1. Ịchọpụta etu ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ epum si emetụta ụmụ akwụkwọ n'odide Sọm –
   mgbakọ, mwepu,okike, mmụbawanye wdg .

2. Ịchọpụta etu ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ epum si emetụta mmasị ụmụ akwụkwọ
   n'ọmụmụ Sọm n'ogo praịmarị

3. Ịmata metụta ejim asụsụ Bekee na asụsụ epum nwere na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ihe
   ọmụmụ ndị ọzọ.

Nchọcha a bara uru, n'ihi na ọ ga-enyere ụmụaka aka ịghọta ọsịsọ okwu ụfọdụ tara akpụ na nghọta.Ndị nkụzi kwenyere na ọ bụrụ na ha ejiri bekee kụzie ma tapịa ya n'asụsụ nne na ụmụaka ga-esonye n'ihe a na-akụziri ha ma ghọtakwa ya nke ọma.Ha ga-enwekwa mmasị nke ukwuu, jụọ ma zaakwa ajụjụ. Ọ dị ebe ha aghọtaghi,site n'ịjụ ajụjụ ha aghọta ya.Ha ga-enwe udo nke mmụọ, ahụmjumoyi,obi sara sara ma e jiri asụsụ nne akụziri ha ihe. Ma onye nkụzi na nwata akwụkwọ agaghị enwe mgbakasị ahụ.

Ajụjụ Nchọcha

1 Kedu etu ngwakọrịta asụsụ epum na asụsụ Bekee si emetụta ụmụ akwụkwọ n'odide Sọm-
mgbakọ, mwepu, okike,mmụbawanye n'ogo praịmarị?
2 Kedu etu ngwakọrịta asụsụ epum na asụsụ Bekee si emetụta mmasị ụmụ akwụkwọ n'ọmụmụ
sọm n'ogo praịmarị?
3 Kedu mmetụta ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ epum nwere na mmeta nke ọma
ụmụ akwụkwọ n'ihe ọmụmụ ndị ọzọ?

Ntụleharị Agụmagụ

Asụsụ Bekee ewerela oke ọnọdụ dị elu n'obodo a bụ Naijịrịa, bụrụzie asụsụ izuzugbe n'ihi na ọ bụ asụsụ a na-asụ na mbaụwa niile. Ọ bụghị naanị na ọ bụ asụsụ mbịara chịwa kama ụfọdụ mba na-asụzi ya dị ka A1 ebe ụfọdụ na-amụ ya dị ka A2. Ọtụtụ mba ndị na-asụ ya bụ mba ndị mbịara chịwa – Britishi na-achị, nke ha gbalịsịrị ike ihu na ha gakwara n'ihu iji asụsụ bekee dị ka asụsụ nkụzi n'ụlọ akwụkwọ. Asụsụ Bekee bụ ọtụtụ ihe nye Naijịrịa. Ọ bụ asụsụ nkụzi, asụsụ gọvmentị, sayensị na teknọlọji, ahụike, nchọpụta, mmebe iwu, ndọrọndọrọ ọchịchị, azụmahịa wdg. Ya bụ tupu mmadụ amata nke ọma ihe na-eme na gburu gburu ya ma n'ụlọ ma n'izuzugbe, onye ahụ ga-enweriri ike ịdị na-ekwukọrịta okwu na Bekee nke ọma. N'ihi na asụsụ Bekee ewerela ọnọdụ dịka asụsụ izuzugbe, ghọzie asụsụ nkụzi n'ụlọ akwụkwọ dum malite (n'Ọtaakara ugbu a) ọpa praịmarị ruo na Mahadum.

Ma n'agbanyeghi na asụsụ Bekee agbaala nnukwu mgbọrọgwụ, e buliekwa ya oke elu na mbaụwa niile tụmadị na Naijịrịa n'ihe gbasara mmụta, asụsụ epum ka na-agbakwa mbọ nke ya n'ihe gbasara agụede.Ngwakọ asụsụ bụ ijikọ asụsụ abụọ otu oge akụzi ihe na klasị. Ọ bụ nka mkparịta ụka site n'otu asụsụ mafee n'asụsụ ọzọ. Ma ọ bụ ọsụsụ asụsụ site n'otu asụsụ manye n'asụsụ ọzọ dị iche na nke e jibu asụ. Ya bụ iji asụsụ abụọ, n'ebe a, asụsụ Bekee na asụsụ epum – akụzi ihe na klasị. Onye na-agwakọ asụsụ na-eji asụsụ abụọ. Ngwakọ a nwere ike bụrụ n'etiti asụsụ epum abụọ ma ọ bụ n'etiti asụsụ epum na asụsụ Bekee, etu o siri metụta ederede a.

Ndị nkụzi ga-ejilinwu asụsụ abụọ akụzi ihe otu oge. Ngwakọta asụsụ abụọ bụ ihe na-eme na mba ọ bụla e nwere asụsụ abụọ ma ọ bụ karịa. Iji asụsụ abụọ otu oge akụzi ihe nwere ndị kwe na ndị ekweghi. Ọtụtụ ndị nkụzi ndị nwere nka ịsụ asụsụ abụọ ekweghi enwe mmasị iji asụsụ epum akụzi ihe na klasị. Ha kwuru na asụsụ Bekee bụ asụsụ nkụzi na ọ bụ ya ka ha ga-eji akụzi ihe na klasị dị ka iwu NPE kwuru. Adetuyi na Jegede (2016) kọwara na iji ụdị usoro nkụzi a adabaghị na klasị ebe e nweghi igwe a gwara ọgwa ụmu akwụkwọ na-asụ igwe asụsụ ndị anaghị anụcha asụsụ ahụ eji akụzi ihe na klasị bụ asụsụ epum ha. Ha sịkwa na asụsụ epum a ga-ebute nsogbu n'ihi na ọ bụghị ha niile ga-erite erere n'usoro nkụzi ahụ. Ha kwuo kwa na ọ bụrụkwarị na a ga-eji asụsụ ngwakọ, na nwata ọ bụla nọ na klasị ahụ ga-esiterịrị n'otu ogbe asụsụ. Ha kwukwara na ọ bụrụ na a ga-agbaso usoro nkụzi ahụ, na onyenkụzi ga-akụzi ya ga-amarịrị asụsụ epum asụ ka usoro ahụ mịta mkpụrụ.N'aka nke ọzọ, ndị kwadoro usoro nkụzi a bụ ngwakọ asụsụ epum na asụsụ bekee siri na o nwere ike ọ bụrụ ezigbo nka nkụzi ga-enyere ụmụaka aka na nghọta ihe a na-akụzịrị ha.

Skiba (1997), Rio na Roo (2011) na Adetuyi na Jegede (2016) mere ka amata na, n'ọnọdụ ebe eji ụdị usoro nkụzi a akụzi ihe bụ ebe mmadụ enweghi ike ịkọwalị onwe ya nke ọma. Nke a ga-eme onye ahụ agwakọọ asụsụ abụọ ọnụ iji mee ka a ghara inwe nkwụsị ma ọ bụ oghere na nkata ahụ ma ọ bụ nkụzi. Ha kwukwara na ọ na-enye aka ihu na nkụzi, ọkpụkpa nkata gara werewere n'enweghi nkwụsị n'ọhanaeze. Ha kwukwara na a na-eji ngwakọ asụsụ abụọ ekwukọrịta okwu iji mee ka e nwee nghọta n'ihe a na-akụzi ma nyefekwa mmụta n'aka ndị a na akụziri ihe.

Adetuyi na Jegede (2016) kwukwara na ndị nkụzi kwadoro usoro nkụzi a na klasị na-eji ya akọwa ihe ha na-akụziri ụmụaka ka ha ghọta ma mụtakwa ihe a kụziri nke ọma. Ha kwukwara ọzọ na ojiji ngwakọ asụsụ abụọ na-ewube nghọta n'etiti ihe a maara ruo na nke amaghị

N'ikpeazụ Rio na Roo (2011), kwuru sị, na usoro nkụzi a ga-abụ ezigbo nka nkụzi ma ọ bụrụ na a gbasoro ya bụ usoro nka nkụzi a nke ọma.

Usoro Nchọcha

Ụdị nchọcha e ji mee nchọcha a bụ Sọvee. Sọvee bụ ụdị nchọcha onye nchọcha ji achọpụta echiche na atụmatụ ndị mmadụ gbasara isiokwu nke metụtara ndụ mmadụ.Isiokwu a metụtara ụmụakwụkwọ na ndị nkụzi nke onye nchọcha họọrọ ụfọdụ ndị ga-abụ ndị nnọchite anya ndị ọzọ. Nworgu (2016) kwekọrịtara na nchọcha Sọvee dịka nke e ji eme nchọcha mgbe ọnụọgụ e ji eme nchọcha buru ibu nke mere na ọchọcha ga-ahọrọ ma ma serekwa ndị ga-anọchite anya ndị ọzọ n'ihi na ọchọcha agaghị enwe ike gazuo ebe niile ndị o bu n'uche eme nchọcha nọ.Ihe kpatara onye nchọcha jiri nwere usoro a bụ na o metụtara ndị nkụzi na ụmụakwụkwọ ọnụọgụ ha buru ibu nke ọ ga-ahọrọ ndị nnọchite anya ndị ọzọ.

Ebe a nọrọ mee nchọcha a bụ n'okpuru ọchịchị Ezeagụ nke dị na Steeti Enugwu . Ọ bụ ogbe isii mejupụtara ya. Ha bụ Ọwa, Ụmana, Obinọfịa, Ụmụmba, Olo, na Oghe. N'okpuru ọchịchị obodo a, ọ bụ asụsụ nne ka a na-asụ ebe ahụ.

Ndị e jiri mee nchọcha a bụ ụmụ akwụkwọ praịmarị dị narị abụọ (200) 10% nnọchite anya ndị praịmarị nke anọ (4) dị puku abụọ (2000). E sitere n'ọnụọgụ ha dị puku iri, nari ise na ise (10,505) sere ha.E sitekwara n'ụlọ akwụkwọ praịmarị dị iri asatọ na anọ (84) sere ụlọ akwụkwọ dị iri abụọ (20). E sekwaara ndị nkụzi mmadụ (20) sitekwa n'ụlọ akwụkwọ ndị a kwa. Ọ bụ usoro nsere nke nhọ na nha tụmbọm tụmbọm ka onye nchọcha gbasooro mee nsere ndị a. Ihe kpatara e jiri họrọ ndị praịmarị nke anọ (4) bụ na ọ bụ na ọpa klasị ebe a tụrụ anya na ndị nkụzi ga-amalite iji asụsụ Bekee kụziwere ụmụaka ihe. Ya bụ na ha bụ transishọnalụ klasị - ebe ntọala asụsụ Bekee na-amalite n'ebe asụsụ epum jedebere. E sitere na 'SPEB'State PrimaryEducation Board,Audit and Statistical Unit,Ezeagụ weta ya.

Ngwa nchọcha ọchọcha jiri mee nchọcha a bụ ajụjụ ederede njụmaza nke ọchọcha haziịrị n'onwe ya-maka nchọcha a bụ Ticha divayisid Teknik (TDT) nke a kpọrọ Njụmaza Mmetụta Ngwakọ Asụsụ n'ịkụzi Sọm n'ụlọ akwụkwọ Praịmarị (NMNANIMUP). Ọchọcha ji ngwa ederede ajụmaza napụta ọsịsa n'aka ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ. Nleta nsonye sokwa na ngwa ọchọcha ji n'ihi na ọ nọ na klasị ebe onye nkụzi na-akụzi Sọm eleta ka nkụzi si aga n'ụlọ akwụkwọ ndị e ji mee nchọcha. Nleta nsonye a nyeere ọchọcha aka iji leta ka ụmụaka siri esonye nke ọma n'ihe onyenkụzi na-akụzi. Usoro a nyekwaara ọchọcha aka ịhụta mbamuru iji asụsụ Bekee na asụsụ epum akụzi akụzi nkụzi.

Ọchọcha jiri aka ya hazie njụmaza nke o kere ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ n'onwe ya ma nakọtakwa ha ka ọ ghara inwe nke furu efu.Ọzọkwa, n'ihi obubu ibu mgbasa ebe onye nchọcha nwere otu onyenkụzi dịka onye enyemaka n'ụlọ akwụkwọ ndị ahụ dị n'ime nke ukwuu o nweghi ike ịgazu n'ihi otiteaka ha, ka ha bụrụ ndị enyemaka ya ebe ndị ahụ. Njụmaza a rụtụrụ aka etu ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ epum si emetụta ụmụ akwụkwọ n'odide Sọm dịka -mgbakọ, mwepu, mmụbawanye, okike wdg, otu ụmụaka siri nabata ya bụ usoro nkụzi a site n'inwe mmasi na ya iji rụọ Sọm, nakwa iji otu usoro nkụzi ahụkwa mụọ ihe ọmụmụ ndị ọzọ.

Nchọpụta

Ọ bụ asụsụ epum na asụsụ Bekee ka a chọpụtara, bụ asụsụ onyenkụzi ji akụzi Sọm na klasị ndị a họọrọ mee nchọpụta. Ọ tụchara ma hazie mmetụta asụsụ abụọ ndị a nwere na nkụzi na ọmụmụ Sọm. Ọ tụlere mpụtara iji asụsụ abụọ kụzie Sọm na klasị site n'iji ntụcha firikwensị na pesenti nke mkpebi ya bụ bido na pesentị iri ise (50%) gbagowe ka a nabatara na ntụcha a, ebe ndị nwere opekata mpe pesenti iri ise (50%) gbadaa bụ nke anabataghị na nchọcha a.

Ajụjụ nchọcha nke mbụ: Kedu etu ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ epum si emetụta ụmụ akwụkwọ n'odide Sọm- mgbakọ, mwepu, mmụbawanye, okike n'ogo praịmarị nke anọ?

Tebul nke Mbụ: Ọsịsa e nwetara n'ajụjụ nchọcha. N=200

Mmetụta n'odide Sọm	Naanị Asụsụ Bekee	Naanị Asụsụ Epum	Asụsụ Bekee agwakọrọ Asụsụ nne	Mkpebi
Mgbakọ	3(15%)	7(35%)	10(50%)	nnabata
Mwepu	2(10%)	7(35%)	11(55%)	Nnabata
Okike	2(10%)	6(30%)	12(60%)	Nnabata
Mmubawanye	3(15%)	6(30%)	11(55%)	nnabata

Nchọpụta site n'ụsa ntụcha ngwa mmụta e mere ebe a gbadoro ukwu na mmetụta ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ epum ụmụakwụkwọ ji dee Sọm na klasị . Ebe a ndị e jiri mee nchọpụta dị ndị nkụzi iri abụọ (20). Ndị nkụzi ndị a zagbadoro ajụjụ maka mmetụta asụsụ nkụzi n; odide Sọm ụmụakwụkwọ na klasị. Ha kwetara na asụsụ metụtara odide mgbakọ, mwepu okike, na mmụbawanye. Ndị nkụzi ndị

kwetara na ọ bụ naanị asụsụ Bekee metụtara ụzọ Sọm anọ ndị a dị mmadụ atọ (3) maka mgbakọ nke pụtara pesentị 15%, Mwepu ndị nkụzi abụọ (2) nke pụtara pesentị 10%, okike mmadụ abụọ (2) nke pụtara 10% na mmụbawanye ndị nkụzi atọ kwa nke pụtakwara pesentị 15%. A bịazie na ndị nkụzi ndị sị na ọ bụ naanị asụsụ epum na-enwe mmetụta n'odide Sọm-mgbakọ dị ndị nkụzi asaa (7) nke pụtara pesentị 35%, mwepu ndị nkụzi asaa (7) nke pụtakwara pesentị 35%, mmubawanye ndị nkụzi isii (6) nke pụtara pesentị 30%.Ma ndị nkụzi kwenyesiri ike na ngwakọta asụsụ Bekee na asụsụ epum nwere mmetụta n'odide Sọm ụmụakwụkwọ praịmarị nke anọ,etu o si gbasaa mgbakọ, dị ndị nkụzi iri (10) nke pụtara pesentị 50%,Mwepu dị ndị nkụzi iri na otu (11) nke pụtara pesentị 55% ebe Mmubawanye wetara ndị nkụzi iri na otu kwa nke pụtara pesentị 55% kwa.Mkpebi bụ na a nabatara ya n'ihi na o ruru ma gaferekwa pesentị 50%.Na nchịkọta,ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ epum nwere mmetụta n'odide Sọm ụmụ akwụkwọ.

Ajụjụ nchọcha nke abụọ: Kedu etu ngwakọta asụsụ Bekee na asụsụ epum si emetụta mmasị ụmụ akwụkwọ n'ọmụmụ Sọm n'ogo praịmarị.

Tebul nke Abụọ: Etu ngwakọta asụsụ Bekee na asụsụ Epum si emetụta mmasị ụmụakwụkwọn'ọmụmụ Sọm.

Mmetụta mmasị ụmụakwụ kwọ.	**Naanị Asụsụ Bekee**	**Naanị Asụsụ Epum**	**Ngwakọ Asụsụ Bekee na Asụsụ Epum**	**Mkpebi**
Ọnụọgụ ụmụ akwụkwọ	20(10%)	30(15%)	150(75%)	Nnabata
Ọnụọgụ ndị nkụzi	3(15%)	5(25%)	12(60%)	Nnabata

Tebul nke abụọ na-egosipụta ntụcha data nke gbadoro ụkwụ n'ajụjụ etu ngwakọrịta asụsụ si emetụta mmasị ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ Sọm. Ha niile dị narị abụọ (200). Ha niile zachara ajụjụ njụmaza nke ọchọọ nakọtachara. Tebul ahụ gosiri ụmụakwụkwọ iri abụọ (20) nke pụtara 10% ndị zara na ọ bụ naanị asụsụ bekee na enwe mmetụta mmasị n'ọmụmụ Sọm ụmụakwụkwọ .N'otu aka ahụkwa ka ndị nkụzi atọ (3) nke pụtara pesentị 15% kwadokwara na ọ bụ naani asụsụ Bekee nwere mmetụta mmasị n'ọmụmụ Sọm ụmụ akwụkwọ n'ogo praịmarị nke

anọ.Ọzọ dịka ibe ya, tebulu a gosikwara ụmụ akwụkwọ dị iri atọ nke pụtara pesentị 15%. Ndị nkụzi kwa n'onwe ha dịkwa ise (5) nke pụtara pesentị 25% kwa. A biazie na ndị kwadoro mmetụta mmasị ngwakọrịta asụsụ, ụmụakwụkwọ ndị kwadoro ya dị narị na iri ise (150) nke pụtara pesentị 75% ebe ndị nkụzi dị iri na abụọ (12) nke pụtara pesentị 60% kwadoro ngwakọrịta asụsụ na-enwe mmetụta mmasị n'ọmụmụ Sọm ụmụakwụkwọ.Na nchịkọta,ọchọcha chọpụtara na ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ epum nwere mmetụta mmasị n'ọmụmụ Sọm ụmụakwụkwọ n'ogo ọpa praịmarị.

Ajụjụ nchọcha nke atọ: Kedu etu ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ epum si metụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ihe ọmụmụ ndị ọzọ n'ogo praịmarị?

Tebul nke Atọ: Etu ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ epum si emetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ n'ihe ọmụmụ ndị ọzọ.

Mmetụta mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ	**Naanị asụsụ Bekee**	**Naanị asụsụ epum**	**Ngwakọ asụsụ Bekee na asụsụ epum**	**Mkpebi**
Ọnụọgụ ndị nkụzi	3(15%)	4(20%)	13(65%)	Nnabata
Ọnụọgụ ụmụakwụkwọ	10(5%)	30(15%)	160(80%)	Nnabata

Tebul nke atọ gosikwara ntụcha ọchọcha mere iji mata etu ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ epum si emetụta mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ n'ihe ọmụmụ ndị ọzọ. Nchọpụta gosiri ndị nkụzi atọ (3) nke pụtara 15% nakwa ụmu akwụkwọ iri (10) nke pụtara 5% bụ ndị kwenyere na ọ bụ naanị asụsụ Bekee ka enwe mmetụta na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ na sọbjekt ndị ọzọ na praịmarị nke anọ n'ụlọakwụkwọ ndị ahụ e seere. O gosikwara ndị nkụzi anọ (4) ọzọ nakwa ụmụakwụkwọ iri atọ (30) nke pesentị ha bụ 20% na 15% n'otu n'otu bụ ndị kwenyekwara na ọ bụ naanị asụsụ epum ka enwe mmetụta mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ na sọbjekt ndị ọzọ na praịmarị nke anọ n'ụlọ akwụkwọ ndị a họọrọ. Ebe ọzọ bụrụzie ndị nkụzi dị iri na atọ (13) pụtara pesentị 65% na ụmụakwụkwọ dị otu narị na iri isii (160) pụtara pesentị 80% bụ ndị kwenyere n'ezie na ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ epum nwere mmetụta na mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ na sọbjekt ndị ọzọ.Na nchịkọta, ọchọcha chọpụtara na ngwakọta asụsụ Bekee na

asụsụ epum nwere nnukwu mmetụta na mmeta nke ọma ụmụakwụkwọ na sọbjekt ndị ọzọ, ha na-amụ n'ụlọ akwụkwọ.

Nkata Nchọpụta

N'ebe a,nchọpụta nchọcha a gosiri na ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ epum nwere ezigbo mmetụta na nkụzi na ọmụmụ Sọm n'ụlọ akwụkwọ praịmarị.Nke a pụtara ihe na ndịna naanị asụsụ Bekee nakwa naanị asụsụ epum.Pesentị ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ ndị kwadoro naanị asụsụ Bekee na asụsụ epum erughị 50% bụ akara nnabata mkpebi.Ọ bụ na ndịna ngwakọrịta asụsụ Bekee na asụsụ epum ka ya pesentị ruru 50% gbagowe nke akara nchọcha nabatara.Malite na tebul mbụ ruo na nke atọ,ndịna dị na nkebi naanị asụsụ Bekee bụ 15%,10%,10%,15%,tebulu nke abụọ 10%,15% nakwa nke atọ 15%,5% gosiri na nkụzi,ọmụmụ na odide sọm hịara ụmụ akwụkwọ ahụ nke ukwuu ma e jiri naanị asụsụ Bekee kụzie ya,ndi nwekwara mmasi nakwa ndị kwadoro mmeta nke ọma ụmụ akwụkwọ.Ndịna nke naanị asụsụ epum n'otu aka ahụkwa na-egosikwa na a ka enwetụ nghọta ma e jiri asụsụ epum wee kụzie sọm.Pesentị ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ kwadoro asụsụ epum bụ ndị a dịka e depụtara ha na tebulu: 35%,35%,25%,(30%);tebulu nke abụọ 15%,15%; tebulu nke atọ 20%,15%.Na ndịna ngwakọta asụsụ Bekee na asụsụ epum,pesentị ha na tebulu nke mbụ: 50%, 55%, 60%, 55%: tebulu nke abụọ75%,60%,tebulu nke atọ bụ:65%,80%.Pesentị ndị a gosiri n'ezie na ngwakọrịta asụsụ bara uru nke ukwuu ma bụrụkwa ezigbo nka nkụzi iji kụzie ma mụọkwa sọm nakwa ihe ọmụmụ ndị ọzọ n'ogo praịmarị.Ọchọcha chọpụtakwara na mgbe ọ bụla e jiri ngwakọta asụsụ na-akụziri ụmụaka na-enwe obi sara sara,ahụ anaghị agbakasị ha,ha na-esonye n'ihe a na-akụzi.Ha na-aza ajụjụ ma na-ajụ onyenkụzi ajụjụ n'ebe ha na-aghọtaghị.Ọchọcha chọpụtakwara na ha na-enwe ọṅụ mgbe onyenkụzi na-akụzi ya.Nke a kwadoro ihe Bishọp (1997) kwuru na 'm sị na m ga-enyenwuru ha aka ka ha nwekwuo ọṅụ,ha agaghị ekweta'.Mackenzie na Walter(2018) mere ka amata na ụmụ akwụkwọ ejighi asụsụ epum nke ha na-asụ n'ụlọ akụziri ihe na-akacha enwe nsogbu ịghọta isiokwu ihe a na-akụzi maka ya.Ihe dị otu a na-ebutere ụmụaka ọdịda akwụkwọ ya na ngụgharị klasị.Ọzọkwa, Eze(2014) kwuru sị na asụsụ kacha mma iji kụziere nwata ihe bụ asụsụ epum n'ihi na ọ bụ asụsụ mbụ nwata na-anọ n'apataụkwụ nne ya amụta Mba (2012).Adetuyi na Jegede(2016) kwadokwara ndi nkụzi kwadoro usoro nkụzi a na klasị, ka ha na-eji ya akọwa ihe ha na-akụziri ụmụaka ka ha ghọta ma mụtakwa ihe a kụziri nke

ọma.Ha kwukwara ọzọ na ojiji ngwakọ asụsụ abụọ na-ewube nghọta n'etiti ihe a maara ruo na nke amaghị.

Na mmechi,ebe ọ bụ na Fafunwa (1984) kwadoro iji asụsụ epum akụziri ụmụaka ihe site na nchọcha o mere,ọ bụ ihe ziri ezi ma ọ bụrụ na e ṅomie ụkpụrụ a ọ tụrụ,ọ ga-enyere ụmụ akwụkwọ aka n'agụmakwụkwọ ha,tụmadi ụmụaka ndị bi n'ime obodo mmepeanya aka eruchabeghi dịka ebe e mere nchọcha a.

Nchịkọta Nchọpụta

Site na nchọpụta nchọcha a, ndị nkụzi zara njụmaza kwenyere na asụsụ Bekee na asụsụ epum agwakọtara ọnụ na-eme ka ụmụaka mee nke ọma na mmụta. N'ihi ya, ọtụtụ ụmụaka nwetara nnukwu akara n'ihe ha dere na klasị nakwa nke kọntinọsụ assesimentị n'ihi na e ji otu nka nkụzi ahụ kụzie sọbjekt ndị ọzọ dị ka Tebul nke atọ egosipụtara. Nchịkọta ntụcha tebul ahụ na-akọwa na 65% ndị nkụzi na 80% ụmụ akwụkwọ na-akọwa na mmụta na-abawanye ụba site n'iji ngwakọ asụsụ Bekee na asụsụ epum akụzi sọbjekt ọ bụla. Ndị nkụzi kwughere anya na nka nkụzi asụsụ abụọ otu oge na-eme ka ụmụakwụkwọ ghọta nke ọma okwu ụfọdụ tara akpụ na ime kwa ụmụaka inwe mmasị na ọṅụ mgbe a na-akụziri ha sọm. Onye ọchọcha chọpụtara ma detuokwa nke a. Ndị nkụzi dị ka onye ọchọcha chọpụtara kụziri nke ọma, ihe ha kụziri gara were were. Ụmụaka n'aka nke ha sonyekwara na ihe ọmụmụ, jụọkwa ma zaakwa ajụjụ. Nke a mere ka ndụ batakwa na klasị onyenkụzi ma dịkwa ụtọ. Ọ bụrụ na a sị na ịgwakọ asụsụ ọnụ kụzie ihe bụ nka nkachamma iji kụzie ihe karịa naanị asụsụ Bekee, a gaghị asị na mmadụ kwujoro. Ebe ụdị nka nkụzi a na-enyere ụmụaka aka ha anọrọ jụụ na-esonye onye nkụzi, ọ ga-enyekwara onyenkụzi aka ilekọta ma kpokotakwa klasị ma meekwa ka udo dịkwa na klasị. Ọ na-ewepụ ahụ mgbakasị ma nweta ezi mmekọrịta na nkwụkọrịta nke gara were were na klasị nakwa n'etiti ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ.

Nchịkọta

Site na nchọcha, a chọpụtara na ngwakọta asụsụ na-enyere ụmụ akwụkwọ aka na mmeta nke ọma. Ihe na-eme n'ụlọ akwụkwọ ọhanaeze dị iche n'ihe ekwuru na NPE. Ọ bụ n'ihi na ma ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ anaghị aghọtacha asụsụ nkụzi nhatanha. Mma mmụta n'ịsụ asụsụ bụ inwe ike iji asụsụ n'ụzọ kwesiri n'ọtụtụ ụzọ. Ndị nkụzi na ụmụ akwụkwọ na-asụ asụsụ abụọ nwere ike iji asụsụ abụọ ndị

a n'otu oge mezue mma mmụta ịsụ asụsụ. Nchọcha a nakwa nchọcha ndị ọzọ nyere dịka ihe mbido aka gosi na ngwakọrịta asụsụ na-akwado mmeta nke ọma na mmụta n'ihi na ọ na-enweta mgbakwụnye ọgịga n'ihu na-abụghị iwepu na nke amụtara. Nchọpụta a ga-emeghere ndị nchọcha na ndị ngalaba ihe ọmụmụ lingwistik na keedukeshọn ka ha lebanye anya mbamuru dị n'iji asụsụ abụọ otu oge eme nkụzi na ọmụmụ n'ụlọ akwụkwọ praịmarị dị na Naịjirịa. Ụdị nka nkụzi a na-akwalite ezi nkụzi na ọmụmụ ihe. N'ihi ya, dịka Rio na Roo (2011) na-akpọ oku ka e nye ndị nkụzi nkwado iji nka asụsụ abụọ na-akụzi ihe ebe a chọpụtara na ọ na-akwalite ezi nkụzi na ọmụmụ sọbjekt niile na-abụghị naanị sọm, ọ ga-adịkwa mma ma ọ bụrụ na a kwadoo aro a.

Ntụnye aro

Nchọcha a tụnyere ndị nkụzi arọ n'ụzọ a ga-eji kwalite ezigbo usoro na nkụzi na ọmụmụ. N'ihi na iji asụsụ epum kụziere nwata ihe bụ ezigbo usoro nke na-enweta ezi mmekọrịta nke klasị nakwa nkamma ụzọ ndị nkụzi inyefe mmụta n'aka ụmụaka ndị praịmarị ndị nta ma ndị ukwu,n'ihi na ha na-ahụta asụsụ epum ka ọ bụ ara nne ha ka ha na-aṅụ

Edensibịa

Aboderin, M. (2012). *Children Schould Learn Mother Tongue First*. Retrieved June 2016 from file///c://users/user/desktop/EDU%20FOR%ALL/CHN.

Ademowo, A.J. (2016). Indigenous Languages and the Development Question in Africa. *International Journal of History and Cultural Studies*, 2(1).

Adetuyi, C.A. & Jegede, O.O (2016). Language in Education Policy*:* The Reality of Teachers Language Choices. *Journal of Capital Development* in *Behavioural Sciences*, 4(1) 1-17.

Adetuyi, C.A. (2015). Relevance of Bilingualism *in* Adult Learners'English Language Development. *International Journal of Literacy Education*. University of Ibadan, 7(1).

Adetuyi, C.A. (2012). Functional Literacy as Agents of Effective Change in Nigeria after the Golden Jubilee. *African Journal of Educational Research and Development* 5(3), 100-106.

Adler, J. (2001). *Teaching Mathematics in Multilingual Classroom*. Dordrecht. The Netherlands: Kluwer Academic Press.

Akinnaso, F.N. (1993). Policy and Experiement in *Mother* Tongue Literacy *in* Nigeria. *International Review of Education*, 39, 255-285.

Chomsky, N. (1972). *Language and Mind*. Enlarged. New York: Harcourt Brace Jovanovich.

Eze, P.J. (2014) Odumodu's Odessy

Fafunwa, B. (1983). *Yoruba in Education*. In Afolayan, A. (ed) Yoruba Language and Literature. Ibadan: UIP/UPL.

Federal Republic of Nigeria, (2014). *National Policy on Education*. Lagos: NERDC.

Hornby, S. (2005). *Oxford Advanced Learner's Dictionary of Current English*. Seventh Edition. Oxford University Press.

Jegede, O.O (2011). Code Switching and its Implications for Teaching Mathematics in Primary Schools in Ile-Ife Nigeria. *Journal of Education and Practice*, 2(10), 41-54.

Jegede, O.O (2012). Roles of Code Switching in Multilingual Public Primary Schools in Ile-Ife. *American Journal of Linguistics*, 1(3), 40-46.

Kyeyune, R. (2003). *Challenges of Using English as a Medium of Instruction in Multilingual Contexts: A View from Ugandan Classrooms*. Languages, Culture and Curriculum 16(2), 173-184.

Mba, B. M. (2012). Language Policy. Mother Tongue Education and the Role of the Nigerian Language Teacher in Language Education. *Journal of Education and Practice*. 3, 48-54.

Myers-Scotton, C. (2006). *Multiple Voices: An Introduction to Bilingualism*. United Kingdom: Blackwell Publishing.

Nnachi, R.O. (2018). Effective Cognitive Processes among Nigerian Children*: A* Route *to* National Development. An Inaugural lecture delivered at Abia State University, Uturu.

Nwigwe, N. (2017). Mwulite Nka Okwukwu Nye Ụmụakwụkwọ na-amụ Igbo dị ka Asụsụ epum *(*Igbo *L)* Ntụta aro ụfọdụ. *Journal of Linguistics, Language and Culture. 4*(1) 116-125.

Olaoye, A.A. (2013). The Role of Indigenous Language in National Development*:* A Case Study of Nigerian Linguistic Situation. *International Journal of Applied Linguistics and English Literature*, 2(3).

Owuamanam, C.N. (2016). *Language Provisions of National Policy on Education and the Educational Technology for Effective Teaching of Nigerian Langauges*. A Journal of the National Institute for Nigerian Languages. Abia: NILAS 3(2).

Rio, S. & Roo, S. (2011). *Language and Mathematical Proficiency: A Case Study for Language Liberalization in Mathematics Classes*. Journal of Nigerian Languages and Culture. 13(2), 89-104.

Salami, L.O. (2008). *It is Still Double take: Mother Tongue Education and Bilingual Classroom Practice in Nigeria*. Journal of Language, identity and Education, 6(4), 1-23.

Setati, M. & Adler, J. (2001). *Between Languages and Discourses: Code Switching Practices in Primary Classrooms in South Africa*. Retrieved March 19, 2008 from www.multilingual.matters.netile/016/0128/le0160128.pdf.

Setati, M. (1998). *Code-Switching and Mathematical Meaning in a Senior Primary Class of Second Language learners*. For the Learning of Mathematics. 18(1), 34-40.

Setati, M. (2002). *Researching Mathematics Education and Language in Multilingual South Africa*. Retrieved April 28, 2008, from http://math.coe.uga.otu/tme/v12n2/v12n2.setati.pdf.

Skiba, R. (1997). *Code Switching as a Countenance of Language Interference*. The Internet TESL Journal 3, 10 http://www.itesli.org/articles/skiba.code.switching.

SPEB (2019). State Primary Education Board. Statistical Unit. Ezeagu.

UNESCO, (2003). *Education in a Multilingual World. UNESCO Educational Position Paper*. Paris: UNESCO. Retrieved \from http://unesdoc//unesco.ng/image/10012/001297/129728e.pdf.

UNESCO, (2008). *Mother Tongue Instruction in Early Childhood Education: A Selected Bibligraphy*. Paris: UNESCO.

UNESCO, (2013). Mother Tongue Education and Books: Celebration International Mother Language Day. Retrieved from http://www.unesco.org/new/en/kathmaudu/about.this.office/singleview/news/mother.tongue.education.and.books.celebration.international.mother.language.day/